# MKPUGHE NKE JISỌS

## Nkpughe 1:1-20.

### IHE Ọ̀MỤ̀MỤ̀ 459 - Nke NdỊ-okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Le, Ọ nābia, Ya na igwe-oji; anya nile ọ bula gāhuzu kwa Ya, ndi ahu gāhu kwa Ya, bú ndi mara Ya ubè; ebo nile nke uwa gēti-kwa-ra ya aka n'obi" (Nkpughe 1:7).**

**I Ịma Ọkwà dị iche iche nye Jọn**

1. Chineke nyere Jisọs mkpughe nke ihe dị iche iche gaje ime n'oge ná-adịghị anya nke egosịrị Jọn site n'aka otù mmụọ ozi, Nkpughe 1:1; 2 Ndi Tesalọnaika 1:7, 8.
2. Jọn gbara àmà banyere ihe niile nke ọ hụrụ, Nkpughe 1:2.
3. Adụrụ anyị ọdụ́ ka anyị gụọ ma debe kwa okwu niile ndịa, n'ihi na oge ahụ dị nso, Nkpughe 1:3.

**II Ozi nye Nzukọ Kraist dị iche iche banyere Ọbị bịa Ya**

1. Ozi nke Akwụkwọ ahụ ka edegaara nzukọ Kraist asaa ahụ nke ná-anọchite anya Nzukọ Ya, Nkpughe 1:4, 11.
2. Kraist, onye na-abịa dịka Eze, azọpụtawo anyị, doo anyị nsọ, mee kwa anyị ndị eze na ndị nchụàjà, Nkpughe 1:5, 6; Ndi Efesọs 5:25-27.
3. Ike na ebube nke Onyenweanyị ka ọgbọ niile ga-ahụ̀, Nkpughe 1:7, 8.

**III Onye ahụ dị Óké Ebube**

1. Jọn nụrụ otù olu n'àzụ́ ya ma tụgharịa ịhụ onye ná-akpanyere ya ụkà, Nkpughe 1:10, 12.
2. Akọwara onye ahụ dị óké ebube nke Jọn hụrụ, Nkpughe 1:13,16; Daniel 7:9-14.
3. Kraist ná-agba àmà banyere Onweya, Nkpughe 1:17, 18.
4. Ihe omimi nke kpakpando asaa ahụ na ihe ịdọba oriọna nke ọlaedo asaa ahụ ka ekpughere, Nkpughe 1:19, 20.

## NKỌWA DỊ ICHE ICHE

**Achụpụrụ Ya Gaa na Patmọs**

Jọn, Onyeozi ahụ ahụrụ n'anya, bụ onye dere Nkpughe bụ́ nke á na-eche na edeworọrị n'ihe dị ka n'arọ nke 96 site n'oge Ọ̀mụ́mụ́ Kraist (96 A.D.). Jọn emewo agadị mgbe onye ọchịchị nke Ndị Rom, bụ́ Dọmitian chụpụrụ ya gaa n'Ágwá-etiti nke Patmọs, "n'ihi okwu Chineke, na nke àmà Jisọs Kraist." Egbuwo Ndịozi ndịọzọ ahụ n'ihi okwukwe ha tupu oge a ma eleghị anya náánị Jọn bu onye fọdụrụ bụ́ onye hụwororị Jisọs anya ma nụ kwa ka Ọ na-ekwu okwu mgbe ọ ka nọ nime ụwa. Onyenweanyị kpugheere ya ihe dị iche iche gaje ime n'oge ikpeazụ; nke ga-adịgide ruo ọbịbịa nke Jisọs nke ugbò abụọ na mmeri ikpeazụ ahụ nke á ga-emeri ike niile nke onye iro ahụ.

Patmọs bụ otù ebe nke jupụtara na nkume nke so n'Agwa-etiti dị iche iche nke Ndị Grik, n'akụ̀kụ̀ ọdịda anyanwụ nke Efesọs. O nweghị osisi, ma ọ bụ mmiri iyi, ma ọ bụ ala ebe apụrụ ịkụ ihe ọkụkụ ọ bụla. Ọ bụ náánị ala nkume nke tọgbọrọ n'efu, bụrụ kwa ebe eji mere ebe á na-achụba ndị ikpé mara. Mkpagbu nke sitere n'aka Ndị Rom ghọọrọ Jọn ọnụ ụzọ ahụ nke ịkparịta ụkà dị óké ebube nke ya na Eluigwe. Ọtụtụ mgbe iwe nke ndị ajọ omume na-adọrọ ndị nsọ bịaruo nso Chineke.

**Mkpughe**

Mkpughe pụtara ihe nzuzo emere ka ọ pụta ìhè. Amaokwu nke mbụ ahụ na-agwa anyị na Chineke nyere Jisọs Kraist mkpughe a ka O gosi ndị orù Ya ihe niile ahụ nke gaje ime n'oge ná-adịghị anya; O wee ziga ma gosịpụta kwa ya site n'aka mmụọ ozi Ya nye orù Ya Jọn.

Dịka Akwụkwọ Jenesis na-akọ akụkọ banyere òkikè na mkwà mbụ ahụ banyere Onye-nzọpụta nke ụwa, otú a ka Akwụkwọ Mkpughe, ná mmechi nke Baịbụl, na-ekwupụta ọgwụgwụ nke ihe dị ugbu a ma ná-egosipụta kwa ebube na ịdị ukwu nke Kraist nime Ọbịbịa nke Ugbò abụọ Ya. Isiokwu nke Akwụkwọ ahụ bụ mmeri zuru ókè nke Alaeze Chineke. Á na-ekwu na ọ bụ àkwà nke eguzobere n'oghere ahụ nke na-ekewa ọbịbịa Ya nke mbụ na nke ugbò abụọ.

"Ngọzi nādiri onye nāgu, na ndi nānu okwu nile nke amuma nka, ndi nēdebe kwa ihe nile edeworo nime ya" (Nkpughe 1:3). Ọtụtụ na-ele Akwụkwọ Mkpughe ahụ anya dịka Akwụkwọ akàchiri akàrà, ma ha adịghị anwa ịghọta ya, ma ihe edere n'Akwụkwọ Nsọ na-asị, "ngọzi" na-adịrị ndị ná-eme. Ọ na-ekwu kwa na Chineke nyere ya Jisọs ka Ya Onweya gosi ya ndị orù Ya. Ọtụtụ ihe nime Akwụkwọ a ka edere dịka ihe na-anọchita anya ihe na ụdị dị iche iche, ma otú ọ dị ụfọdụ nime mkwà ndị ahụ dị óké ọnụ dị iche iche nime Baịbụl ka enyere nime Akwụkwọ a.

**Ekele ahụ**

Ekele ahụ sitere n'aka Jọn nye nzukọ Kraist asaa ahụ dị n'Esia. "Amara diri unu, ya na udo, … nke si kwa n'aka Jisọs Kraist puta, Onye bu onye-àmà kwesiri ntukwasi-obi, onye eburu uzo mu n'etiti ndi nwuru anwu, buru kwa onye-isi nke ndi eze uwa. Onye ahu nke nāhu ayi n'anya, Onye tọpu-kwa-ra ayi na nmehie nile ayi nime ọbara Ya; Ọ we me ka ayi buru ala-eze, ndi-nchu-aja nye Chineke na Nna nke Ya; ọ bu Ya ka otuto nile na ike nile diri rue mgbe nile ebigh-ebi" (Nkpughe 1:4-6). Lee ụdị ekele pụrụ iche dị otú a! O sitere n'ekele nke ịhụn'anya wee baa n'okwu nke otuto nye Chineke nke jupụtara n'óké ọñụ: "Ọ bu Ya ka otuto nile na ike nile diri rue mgbe nile ebigh-ebi."

Amara na udo nke si n'aka Onye ahụ nke hụrụ anyị n'anya ma sachaa anyị site ná mmehie niile anyị nime Ọbara nke Ya! Ọ bụrụ na Ọ hụrụ ndị iro Ya n'anya nke na Ọ nwụrụ ọnwụ n'elu obe n'ihi ha, lee ka ịhụn'anya Ya ga-adị n'ebe ndị ahụ nọ bụ́ ndị agbapụtaworo site n'Ọbara Ya nke dị óké ọnụ! Nke a na-eme ka o doo anya na Ọbara Ya na-asachapụ mmehie niile nke anyị. Ezi nzube ahụ nke O ji bịa dịka Nwa-ọhụụ nke Betlehem bụ ka Ọ nwụọ n'elu obe ma wụsị Ọbara Ya maka ịzọpụta ụwa furu efu. Ndị ahụ nabatara nzọpụta a dị ebube ọ bụghị náání na azọpụtara ha site ná mmehie niile ha kama á na-eme ha ndị-eze na ndị-nchụàjà nye Chineke. Chee uche banyere nke a! Isite n'ọnọdụ dị ala ná ndụ a wee ghọọ ndị-eze na ndị-nchụàjà nye Chineke! "Ka ha kele JEHOVA ekele banyere ebere-Ya, Na óké ọlu-Ya nile nke Ọ nāluru umu madu!" (Abù Ọma 107:8).

**Ná-abị a Ya na Igweoji**

"Le, Ọ nābia, Ya na igwe-oji" (Nkpughe 1:7). Mgbe Jisọs rapụrụ ụwa nke a igweoji naara Ya pụọ n'anya ndị ná-eso ụzọ Ya. Mgbe Ọ ga-abịa ọzọ, ọ ga-abụ Ya na igweoji, na ịpụta ìhè, n'ụdị mmadụ.

Ndị òzízí ụfọdụ pụrụ ịgwá anyị na mbata Ya nime obi mmadụ ka ọbịbịa Ya nke ugbò abụọ pụtara. Jọn ahụ́wo Jisọs mgbe O jégharịrị n'elu ụwa dịka mmadụ; na kwa dịka Kraist onye si n'ọnwụ bilie tupu Ọ rịgo n'Eluigwe. Nime arọ niile ndị ahụ site na mgbe Jisọs kpọrọ ya ịbụ otù onye nime ndị ná-eso ụzọ Ya, ịhụn'anya nke Jisọs dịgidere nime obi ya; ugbu a Jọn na-ahụ́ kwa Ya otú Ọ dị nime Ebube Ya.

Jisọs na-abịaghachi ọzọ anya niile ga-ahụ kwa Ya. N'ebe ụfọdụ nọ ọ ga-abụ ihe dị ebube n'ile Ya anya, ndịọzọ ga-etiku kwa ugwú na nkume mkpu ka ha zobe ha. Amaokwu a nke dị n'isi mbụ nke Mkpughe kwuru n'ụzọ pụrụ iche ihe banyere ndị ahụ bú ndị mapúrú Ya, ndị ahụ bú ndị kpọrọ Ya ntú n'aka na n'ụkwụ, onye ahụ nke ji ube mapúo akụkụ Ya, tinyekwara ndị ahụ tiri mkpu "kpọgide Ya n'obe, kpọgide Ya n'obe."

**Ụbọchị nke Onyenweanyị**

Jọn sịrị na ya nọ nime Mmụọ nsọ n'Ụbọchị Onyenweanyị, ụbọchị ahụ nke Ndị Kraist niile na-ezukọ icheta mbilite n'ọnwụ nke Onyenweanyị, bụ otù ụbọchị nke á na-asọpụrụ ruo ebighị ebi n'ihi ihe ukwu ahụ kachasị ihe ukwu niile nke meworo n'akụkọ ụwa. Ụbọchị nke asaa ka asọpụwooro ma debe kwa ná ncheta nke Òkìkè wee bụrụ kwa Ụbọchị izu-ike nke Ndị Ju. Ndị Kraist na-edebe ụbọchị mbụ nke izu ụbọchị asaa, ụbọchị ahụ Kraist siri n'ọnwụ bilie, ime ememe nke Mgbapụta. Ọ bụ Ụbọchị izu-ike nke Ndị Kraist. (Lee Ihe ọ̀mụ̀mụ̀ 268, Akwụkwọ 21).

**Ịfụ Opi-ike ahụ**

Jọn nụrụ óké olu n'azụ ya dịka nke opi-ike. Eji opi-ike ahụ akpọbata ememe ukwu dị iche iche. Anụrụ ya mgbe Chineke kpughere Onweya. Mgbe Chineke kpughere Onweya n'Ugwu Sainai, O mere ka ebe niile dere duu mgbe olu opi-ike ahụ dasiri ụda ike. Eji ọfụfụ nke opi-ike nke ọlaọcha kpọbata Arọ nke Jubili. Olu nke isi mmụọ ozi na opi nke Chineke ga-etiwa ịnọ jụụ nke íli ahụ ma chịkọpụta kwa ndị arọpụtara nke Chineke site na nsọtụ niile nke ụwa. Ụwa nke ná-amaghị Chineke agaghị anụ ya, ma ndị ahụ asaworo n'Ọbara ga-anụ ya ewee nwoghaa ha, ha ewee felie n'elu na nkù dịka ugo izute Onyenwe ha na mbara eluigwe.

**Ihe Ịdọba Oriọna Asaa**

Mgbe Jọn tụgharịrị ịhụ Olu ahụ nke na-akpanyere ya ụka, ọ hụrụ ihe ịdọba oriọna asaa nke eji ọlaedo mee, ma n'etiti ihe ịdọba oriọna asaa ahụ ka otù onye nọ nke yiri Nwa nke Mmadụ. Ihe ịdọba oriọna asaa ahụ na-

anọchite anya nzukọ Kraist asaa ahụ nke dị n'Esia. Ihe ịdọba oriọna ndị ahụ bụ ihe ná-ebu ìhè ahụ. Ha enweghị ìhè n'onweha kama ha bụ ebe á na-adọkwasị ìhè ahụ. Jisọs bụ ezi ìhè ahụ. Nzukọ Kraist na-ejide ezi ìhè ahụ, ma Onye Kraist ọ bụla amụrụ ọhụụ na-eme ka ìhè ya ná-enwu site n'ịgba-àmà ya na ibi ndụ ya. Ihe ịdọba oriọna ndị ahụ ka eji ọlaedo mee, nke bụ ọla dị óké ọnụahịa. Ọgbakọ nke ndịnsọ bụ ihe dịkarịsịrị óké ọnụahịa nime ụwa. Ọ bụ ezi ọlaedo nke ụwa.

**Nwa nke Mmadụ**

Isi Ya na agịrị isi Ya dị kwa ka ajị anụ, ha dị ọcha dịka snow. Akwụkwọ Nsọ na-agwa anyị na okpueze nke otuto ka isi-awọ bụ ma ọ bụrụ na enweta ya n'ụzọ nke eziomume (Ilu 16:31). Ụkwụ ya abụọ yiri ọla brass nke anụchara anụcha, dị ka aga asị na erere ha n'óké ọkụ. Ọ bụ kwa n'elu ụkwụ ndịa nke ịdị nsọ ka Onyenweanyị na-ejégharị n'etiti Nzukọ Kraist dị iche iche, Ọ ga-azọda kwa ihe árụ niile. Ha mara mma bụ́ ụkwụ ndị ahụ nye ndị ahụ hụrụ Ya n'anya, ma ha ga-abụ ihe dị egwù nye ndị ahụ aga-eji ha zọdaa.

Olu Ya dị ka ụda nke ọtụtụ mmiri. Gịnị ga-eme ka ọ ghara ịdị otú ahụ? Otù ụbọchị Olu ahụ ga-akpọte ndị nwụrụ anwụ. "Olu JEHOVA nāda n'ike; olu JEHOVA nāda n'ima-nma" (Abù Ọma 29:4).

O ji kpakpando asaa n'aka nri Ya. Kpakpando asaa ahụ bụ ndị mmụọ ozi ma ọ bụ ndị ụkọ-chukwu nke nzukọ Kraist asaa ahụ. Kraist na-ejégharị n'etiti ihe ịdọba oriọna ahụ ma Ọ na-ejide ndị ụkọ-chukwu ndịa n'aka nri Ya.

Mma-agha dị nkọ, nke nwere iru abụọ na-esi kwa n'ọnụ Ya pụta. Baịbụl na-agwa anyị: "Okwu Chineke di ndu, nālusi kwa ọlu ike, di kwa nkọ kari mma-agha ọ bula nke nwere iru abua, nādu kwa rue n'ikewa nkpuru-obi na mọ, ma nkwonkwo ma umi, buru kwa ihe nwere ike ituputa échìchè na izu nile nke obi" (Ndi Hibru 4:12). "Mma-agham añujuwo afọ n'elu-igwe; le, Edom ka ọ gāridakwasi, ridakwasi kwa ndi M'wezugara ka ebibie ha, ikpe ikpe" (Aisaia 34:5). Iru Ya dị ka anyanwụ ahụ nke ná-amụwa n'ike ya. Nzukọ Kraist ndị ahụ bụ oriọna, ndị ụkọ-chukwu ahụ bụ kpakpando; ma Kraist bụ anyanwụ ahụ.

Ihe yiri nke a ka ndị ná-eso ụzọ Ya hụrụ mgbe enwoghasịrị Jisọs n'iru ha n'elu Ugwu ahụ. "Iru-Ya we nēnwupu dika anyanwu, uwe-Ya nile we nācha ucha dika ìhè" (Matiu 17:2).

**Okwu Nkasị obi**

Ọ dị ukwu ma dị kwa egwù bụ́ otuto ahụ, na ike, na ebube, na ịma mma ahụ nke Jọn hụrụ. Otù onye odeakwụkwọ kọwara ya: "Ụda nke opi-ike ahụ, óké ihe ahụ pụrụ iche nke mere, ihe ahụ ekpughere, olu nke ike ahụ, iru ahụ nke nēnwupụ dịka ìhè…."

Ọhù ahụ juru Jọn anya, o wee daa n'ụkwụ Kraist dịka onye nwụrụ anwụ. Jisọs tụkwasịrị ya aka nri Ya wee sị, "Atula egwu." Lee okwu nkasiobi dị otú a !

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Òlee agwa-etiti ahụ ebe achụbara Jọn? Kọwaa ya.
2. Gịnị mere eji chụba ya ga ebe ahụ?
3. N'ụbọchị nke òle nime izu ụbọchị asaa ka Jọn hụrụ ọhù a?
4. Gịnị mere Ndị Kraist ji edebe ụbọchị ahụ?
5. Gịnị bụ ihe mbụ ndị ahụ nke Jọn buru ụzọ hụ nime ọ́hù ahụ?
6. Gịnị ka ha nọchitara anya ha?
7. Kpọọ aha Nzukọ Kraist asaa ahụ dị n'Esia bụ́ ndị ezigara ozi a nye?
8. Kọwaa mpụta ìhè nke "Nwa nke Madu."
9. Òlee otú ihe ndịa niile si metụta Jọn?

Gịnị ka Jisọs gwara ya?